# ARỌ̀ NKE OKÉ-ỌÑỤ

## Levitikọs 25:1-46

### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 89 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mọ nke Onye-nwe-ayi, bú JEHOVA, di n'arum; n'ihi na JEHOVA etewom manu izì ndi ewedara n'ala ozi-ọma; O zitewom ikechi ọnyá ndi obi-ha tiwara etiwa, ikpọsa ọrira gwa ndi adọtara n'agha, na ikpọsa mmeghepu ulo-nkpọrọ gwa ndi ekere agbu" (Aisaia 61:1).**

**I Ndụmọdụ Dị Iche Iche Sitere N'Ugwu Sainai**

1. Onyenweanyị na-agwa Moses okwu site n'Ugwu Sainai ka o debe ụbọchị izu ike nke arọ̀ mgbe ha ga-abà n'ala ahụ nke Ya gaje inye ha, Levitikọs 25:1, 2
2. Arọ̀ isii ka ha ga-agha kwa mkpụrụ ma wee ihe ubi, Levitikọs 25:3; Ọpupu 23:10
3. Arọ̀ nke asaa ga-abụ arọ̀ nke izuike, Izuike nye Onyenweanyị, Levitikọs 25:4; Ndi Hibru 4:9
4. Ha na ndị ọbịa bi n'ala ahụ ga-eri ihe ahu nke ná-epupụta n'onweya, Levitikọs 25:5-7; 2 Ndi Eze 19:29

**II Arọ̀ Nke Iri-ise Ahụ**

1. Ha ga-agụ arọ̀ asaa nke Ụbọchị izuike ugbò asaa ma o bụ arọ̀ iri anọ na iteghete (49) Levitikọs 25:8
2. Opiike nke Jubile ahụ ka a ga-afụ n'ụbọchị mkpuchi mmehie ahụ n'ala ahụ niile, Levitikọs 25:9
3. Arọ̀ nke iri-ise ga-abụ arọ̀ jubile ma ọ bụ arọ̀ inwere onwe, Ihe onwunwe niile nke mmadụ nwere erere ere ka a ga-enyeghachi ya, Levitikọs 25:10-13; Aisaia 61:1, 2; 63:4; Luk 4:19
4. Ọ bụrụ na ha zụrụ ma ọ bụ ree ihe onwunwe ha ọ bụla ha ga-agụzi ọnụahịa ha dịka ọnụogụgụ arọ̀ si dị malite na Jubile oge ahụ, Levitikọs 25:14-16; 27:17-25
5. Ha agaghị emegbu ibe ha kama ha ga-atụ egwù Chineke, Levitikọs 25:17-19

**III Mkpụrụ Riri Nne**

1. Ọ bụrụ na ha ajụọ ihe ha ga-eri n'arọ̀ nke asaa, Onyenweanyị na-agwa ha na Ya ga agọzi mkpụrụ ha n'arọ̀ nke isii na ha ga-amị mkpụrụ riri nne nke ga-ezuru ha ruo arọ̀ atọ, Levitikọs 25:20, 21
2. Ha ga agha mkpụrụ n'arọ̀ nke asatọ ma otú ọ dị ha ga na-eri mkpụrụ nke ochie dị n'ọba ruo arọ̀ nke iteghete, Levitikọs 25:22; Joshua 5:11, 12

**IV Mgbapụta Nke Ala Ahụ**

1. Agaghị ere ala ka ọ bụrụsịa nke onye zụrụ ya n'ihi na ala bụ nke Chineke, Levitikọs 25:23, 24
2. Ọ bụrụ na erere ya n'ihi mkpà, onye arụ mmadụ nwere ike ịgbapụta ya tupu arọ̀ Jubile; ma ọ bụrụ na ọ pụghị ịgbapụta ya ọ ga-alaghachịrị onye ahụ nke nwe ya nime arọ̀ Jubile, Levitikọs 25:25-28
3. Enyere iwu dị iche iche banyere usoro ire ụlọ obibi ndị dị n'obodo nwere mgbidi gburugburu na obodo niile nke ná-enweghị mgbidi gburugburu na ndị nke ndị Livai nwere, Levitikọs 25:29-34
4. Ha agaghị anara ụma n'aka nwanne ha ma ọ bụ ime ya orù nwoke, Levitikọs 25:35-41; 1 Ndi Kọrint 7:23
5. Ha agaghị enwere mmegbu ná-achị ha, Levitikọs 25:43-46; Ndi Efesọs 6:9; Ndi Kọlọsi 4:1

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Arọ̀ nke Jubile -- Otù Ụdị**

Arọ̀ Jubile ahụ dị ka ụdị ma ọ bụ ihe atụ̀ nke oge mgbasa nke Oziọma, mgbe agbapụtara ndị niile kwere na Kraist site n'orù nke mmehie na inye ha ohere inwe ihe nketa n'etiti ndị edoro nsọ nime Kraist Jisọs. Ọ bụ arọ̀ ntọpụ dịrị ọra mmadụ pụọ n'ụgwọ na ọlụ nke ịbụ ndị orù nwoke na ndị orù nwayị, na nke ala na ihe onwunwe dị iche iche ndị erere site na èzínaụlọ na ebo dị iche iche nke ndị nwe ha.

Nime arọ̀ isii ha ga agha mkpụrụ ná-ewe kwa ihe ubi ha, ma n'arọ̀ nke asaa ha agaghị agha ma ọ bụ wee ihe ubi. Onyenweanyị ga-ezite ngọzi Ya ná mkpụrụ ha n'arọ̀ nke isii, ọzọ ala ha ga-emepụta ihe ga-ezuru ha ruo arọ̀ atọ. Nke ahụ bụ ọlụ ebube nke Ọ bụ náání Chineke pụrụ ikwe mkwà dị otú ahụ.

Arọ̀ nke asaa ahụ ga-abụ nke izuike, Izuike nye Onyenweanyị. Ha na ala ha, na anụụlọ ha ga-enwe arọ̀ izuike. Mgbe ha debesiworo ụbọchị Izuike asaa nke arọ̀ asaa ahụ ma ọ bụ iri arọ̀ anọ na iteghete (49) arọ̀ ejikọrọ ọnụ, ha ga-edebe otù arọ̀ Izuike ọzọ. Arọ̀ nke iri ise ga-abụ arọ̀ Jubile oge a ga-akagbu ụgwọ niile na oge inyeghachi ihe nketa n'aka Onyenwe yarị.

**Iwu Dị Iche Iche Mere Ka Mmadụ Niile Raa Nrata**

Nke a bụ ụdị dị iche iche kachasị mma enyeworo nke na-atụzi aka banyere ego na ọlụ. Ọ dịghị ohere ọgaranya nwere imegbu ogbenye, ọzọ ọ dịghị ohere ogbenye nwere ịnọ ná-alughị ọlụ. Ha ga-arà otù, dịka ụmụnna. Ọ bụrụ na edebe iwu ndịa nkeọma aghaghị ime ka ọnọdụ niile nke ndị ahụ raa otù.

Ná-enweghị ihe mgbagwoju anya, ihe eji nye iwu ndịa bụ igbochi ọgaranya imegbu ogbenye na ime ha dịka ndị orù, na igbochi ole na ole inweta ala ahụ niile dịka ihe onwunwe.

**Zedekaia**

N'oge Jeremaia, mgbe eze Babilọn na-ebu agha megide Zedekaia, bụ́ eze Juda, Zedekaia na ndị ahụ niile wee gbaa ndụ na Jerusalem ịkpọsara ha inwere onwe; na onye ọ bụla aghaghị ime ka ndị orù ya nwere onwe ha (Jeremaia 34:8, 9). Ndị ahụ kwenyere ihe o kwuru ma rapụ ndị orù ha ka ha laa. Ma mgbe emesịrị, ha chigharịrị wee mee ka ndị orù ha laghachita ijere ha ozi. O wutara Chineke na ha emebiwo ọgbụgbandụ ahụ; ma site n'aka Jeremaia Onyenweanyị sịrị, "Le M'nākpọsara unu si na unu nwere onwe-unu, (ọ bu ihe si n'ọnu JEHOVA puta) ibà ná mma-agha, na ibà n'ajọ ọria nēfe efe, na ibà n'oké unwu; M'gēwere kwa unu nye iburu ala-eze nile nke uwa ihe-ntughari" (Jeremaia 34:17).

Onyenweanyị agwawo ha ná mmalite na ọ bụrụ na ha egeghị ntị n'ụkpụrụ Ya niile, na Ya ga-eme ka ha gbasasịa n'etiti mba niile na ime ka ala ha ka ọ bụrụ ebe tọgbọrọ n'efu. "Mgbe ahu ka ubọchi izu-ike-ya nile gātọ ala ahu utọ ubọchi nile nke itọgbọ n'efu ahu, mgbe unu onwe-unu nọ kwa n'ala ndi-iro unu; mgbe ahu ka ala gākwusi n'ọlu, ubọchi izu-ike ya nile gātọ kwa ya utọ. Ubọchi nile nke itọgbọ n'efu ahụ ka ọ gākwusi n'ọlu: nke ọ nākwusigh n'ubọchi izu-ike-unu, mgbe unu biri n'elu-ya" (Levitikọs 26:34, 35)

Onyenweanyị kwenyere ka Ụmụ Israel bụrụ ndị adọọrọ n'agha gaa ala Babilọn, ha nọdụrụ n'ebe ahụ ruo iri arọ̀ asaa tutu ruo mgbe ala ahụ ga-enwezu Ụbọchị izuike ya (2 Ihe Emere 36:21).

**Mgbapụta Site Na Kraist**

Anyị bụrị orù nke ekwensu; anyị erewo onweanyị nye n'ihe efu; anyị, atụfuwo ohere anyị ịbà n'Eluigwe na otuto ebighị ebi ya niile. Ma "mgbe ayi nọ nādigh ike mgbe oge-ya ruru Kraist nwuru" n'ihi anyị -- ndị ná-emebi iwu -- gbapụta anyị site n'Ọbara Ya dị óké ọnụahịa ọzọ O nyewo anyị ihe nketa nke a na-apụghị imebi nke a na-adịghị emerụ kwa emerụ, nke ná-adịghị atalata kwa.

Onye nsọ ahụ bụ́ Luk dere okwu Chukwu mbụ Kraist kwuru: "O we meghe akwukwọ ahu, chọta ebe edeworo ya si, Mọ nke Onye-nwe-ayi di n'arum, n'ihi na O terem manu izì ndi-ogbenye ozi-ọma: O ziteworom ikwusa ọrira gwa ndi adọtara n'agha, na ikwusa ihu-uzọ gwa ndi-isì, izipu ndi etihiaworo aru ka ha la, ikwusa arọ mgbe Onye-nwe-ayi nānara madu nke ọma. O we nọdu ala: ndi nile nọ n'ulo-nzukọ ahu we nēlegide ya anya. O we malite isi ha, Ta ka emezuworo ihe a edeworo n'akwukwọ nsọ ná nti-unu" (Luk 4:17-21). Ezi arọ̀ nke Jubile abịawo. Nke a bụ inwere onwe nye mkpụrụobi ọ bụla mmehie kéré agbụ. Ihe nketa ahụ nke etufuru site n'aka Adam ka apụrụ inwegachi site n'aka Jisọs Kraist. N'ezie, arọ̀ mgbe Onyenweanyị na anara mmadụ nkeọma abịawo.

**Ụbọchị Nke Mkpuchi-mmehie**

Ọ bụ ihe dị mkpà na Jisọs aghaghị ịnwụ n'ihi mmehie ụmụ mmadụ ka ha wee bụrụ ndị ga-enwere onweha. Óké inwe onwe ahụ ma ọ bụ mgbapụta site n'ịbụ orù nke mmehie, nke ekwusaworo nime Oziọma, bụ ihe emezuru mgbe achụrụ óké àjà Mkpuchi-mmehie ahụ, bụ́ àjà nke Onyenweanyị Jisọs chụrụ.

A na-egosipụta na arọ̀ Jubile eruwo site n'ifụ opiike. Ná mmezu nke ihe niile ahụ, Jisọs kwuru banyere Onwe Ya sị, "Ọ gēwere kwa opi uku zipu ndi-mọ-ozi-ya ha gēme kwa ka ndi nke ya arọputara si n'ifufe anọ zukọ, site n'otù nsọtu elu-igwe rue nsọtu-ya ọzọ" (Matiu 24:31).

Emesịa óké Ụbọchị izuike nke Chineke ga-abịa, bụ oge izuike, Jubile ukwuu nke puku arọ̀ nke udo. Onye dere Akwụkwọ Ndị Hibru na-agwa anyị sị, "Ya mere idebe ubọchi izu-ike fọduru ndi nke Chineke," ọ dọkwara anyị aka-ná-ntị ka ajọ obi nke ekweghị ekwe ghara ịdị nime onye ọ bụla n'etiti anyị ma eleghịanya n'iwezuga onweya n'ebe Chineke dị ndụ nọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị ka arọ̀ Jubile na-anọchi?
2. Kọwaa ihe mere Iwu niile nke Chineke ji raa nrata.
3. Gịnị mere Onyenweanyị ji gọzie mkpụrụ ha n'arọ̀ nke isii?
4. Èkwenyere ka ụmụ Israel were ụmụ nna ha dịka ndị-orù?
5. Ọ bụrụ na erere ihe onwunwe ọ bụla òle oge enwere ike ịgbapụta ya?
6. Onye ọbịa ọ̀ pụrụ ịgbapụta ihe onwunwe onye ọzọ?
7. Ònye ka esi n'aka Ya gbapụta anyị?
8. Òlee mgbe bụ arọ̀ Onyenweanyị na-anara mmadụ nkeọma?
9. Òlee mgbe i chere na nnukwu arọ̀ Jubile ahụ ga-adị?